# MKPỤRỤ OKWU IGBO MAKA NKANỤZỤ

Si N'Aka
Ilechukwu Chiamaka Patience
Department of Igbo, African and Communication studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka
cp.ilechukwu@unizik,edu.ng

Na
Onwudiwe George Elochukwu (PhD)
Department of Igbo, African and Communication studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka
ge.onwudiwe@unizik.edu.ng

***Ụmịedemede***
*Ọtụtụ mgbe ka ọ na-abụ a kpọpụta okwu nka na ụzụ kwesiri ka mmadụ mara ihe ọ bụ, ọ gbagwojuo ya anya n'ihi asụsụ e ji kpọpụta ya bụ nka na ụzụ. Asụsụ Igbo dị nnukwu mkpa maka agamnihu na mmụba okwu nka na ụzụ. Ihe jupụtara ụwa taa bụ aka ọrụ nka na ụzụ, ma akọrọngwa e ji akụzi nkụzi, esi nri, eti egwu, achọ mma na ihe ndị ọzọ na-enyere obibi ndụ aka. Mmadụ ọ bụla nwere ihe jikọrọ ya na nka na ụzụ. A chọpụtara na asụsụ Igbo enweghi aha zuru oke maka nkepụta niile a sayensị na nka na ụzụ nyere anyị, nke a mere na e kwuo ụfọdụ ihe, nghọta ha na-enye nsogbu, ọ kachasị onye amatachabeghi gbasara nka na ụzụ nke ọma. Ebumnuche nchọcha a bụ ịmata etu asụsụ Igbo ga-esi kwalite nka na ụzụ. O hibere isi na mmebe okwu Igbo dị ka o si metụta nka na ụzụ n'ebe ndị a; akpụmakpụ, mgbasa ozi, njem, ịrụ ụlọ, ụlọ akwụkwọ, ụlọ ọrụ na ahịa. E ji atụtụ kenkwalite otu na omenala nke Vygotsky (1978) wee mee nchọcha a. Nwa nchọcha gbasoro usoro sọvee nke gụnyere igba ajụjụ ọnụ wee mee nchọcha a ma chọpụta na nka na ụzụ ndị nwere aha Igbo na-aka enye nghọta doro anya karịa ndị enweghi aha Igbo. Nchọcha a ga-abara ụmụ akwụkwọ na ndị nkụzi uru nke ukwu ma bakwaara nwa afọ Igbo ọ bụla chọrọ agamnihu asụsụ Igbo uru.*

## Ndubanye

Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ UNESCO kwuru na o nwere ike ịnwụ ihe dị ka afọ 2025 ma ọ bụrụ na akparamagwa ndị nwe asụsụ a agbanweghi. Ọtụtụ mgbe ka a ga-akpọ aha nka na ụzụ na Bekee ma ọtụtụ ndị mmadụ agaghị amata ihe a na-ekwu maka ya n'ihi asụsụ e jiri kpọpụta ya bụ okwu. E meela ọtụtụ nchọcha etu nka na ụzụ ga-esi kwalite asụsụ dị iche iche mana o nwebeghi ezigbo nchọcha e merela etu asụsụ ọ kachasị asụsụ Igbo ga-esi kwalite nka na ụzụ belụsọ nchọcha ole na ole e mere n'isi okwu yitebere ya

Okwu a bụ nka na ụzụ bụ okwu si n'asụsụ Grik Techno, "Techne nke pụtara ọrụ nka, na "logos" nke pụtara nka na okwu. "Nka" gụnyere ndị na-ese ihe, ndị ji osisi ma ọ bụ igwe arụpụta ihe, na ihe nrụpụta ndị ọzọ dị iche iche. "Okwu" n'akụkụ nke ya pụtara asụsụ na mkparịtaụka. Asụsụ bụ ihe dịkasịrị mkpa n'iche echiche. Nke a pụtara na asụsụ dị ezigbo mkpa mgbe a na-ekwu maka nkanaụzụ. Asụsụ bụ ihe dị mkpa n'ime ka ihe ọ bụla gaa nke ọma. E nwere ọtụtụ nka na ụzụ enweghi ihe a ga-akpọ ha n'asụsụ Igbo. Ufọdụ nwere mana a naghị etinye ha n'ọrụ. Asụsụ Igbo dị nnukwu mkpa maka agamnihu na mmụba okwu nka na ụzụ. Ihe jupụtara ụwa taa bụ aka ọrụ nka na ụzụ, ma akọrọngwa e ji akụzi nkụzi, esi nri, eti egwu, achọ mma na ihe ndị ọzọ na-enyere obibi ndụ aka. Mmadụ ọ bụla nwere ihe jikọrọ ya na nka na ụzụ. A chọpụtara na asụsụ Igbo enweghi aha zuru oke maka nkepụta ndị a niile sayensị na nka na ụzụ nyere anyị. Nke a mere na e kwuo ụfọdụ ihe, nghọta ha na-enye nsogbu, ọ kachasị onye amatachabeghi gbasara nka na ụzụ nke ọma.

Asụsụ nke Igbo so na ya nwere ihe ọ ga-arụ iji hụ na nkanaụzụ na-abawanye site n'ịkwalite ya. Ihe nile gbasara agamnihu sayensi na nka na ụzụ hibere isi n' asụsụ a na-ekwu maka ya inwe ike ichepụta echiche gbasara ụzụ na ya. Nkanụzụ pụtakwara usoro ndị mmadụ kepụtara nke ji mmụta na ichemi echiche iji arụpụta ihe a na-ahụ anya na usoro e si enweta ihe a na-atụ anya ya. Atụ: igwe onyoonyoo, igwe kọmpụta, igwe ntụoyi, Ihe ndị a bụcha atụ ihe nka na ụzụ na-emepụta site na mmụta na ichemi echiche ime. Odee ọzọ kọwara ya dị ka iwu, usoro na ọrụ nka pụtara ihe ọ kachasị ndị metụtara sayensị

nke bara uru site n'ikwalite mbamuru n'obodo na ndị na-akwado ya. E nwere ụfọdụ odee na-ekwu na ndị mmadụ aghọtaghị okwu a bụ nka na ụzụ na nkọwa ya, n'ihi na ha amaghị ihe ọ bụ nke ọma, ma akụkụ a na-ahụ anya na ya na akụkụ a anaghị ahụ anya na ya bụ nke a na-aghọtahie ma na-amụ ya n'amaghị ama. Ufọdụ ndị odee kwadoro nke a site n'ịgbakwunye na amụmamụ banyere nka na ụzụ dị mkpa n'ịghọta omenala. Ha gara n'ihu wepụta myiri na ndịiche ya na nka na ụzụ dị ka usoro ịgbanweghari ụwa na ihe ndị dị na ya nke ọ kpọrọ "material culture". Herskovit (1948) kwuru na nke a pụtara na e nwere ihe ndị ọzọ metụtara nka na ụzụ karịa ihe ndị mmadụ maarala gbasara ya, mana n'ihi enweghi ezi nkọwa, nke a na-eweta nhịamahụ na nkọwa na nghọta.

Okonkwo (2014) kwuru na nka na ụzụ bụ maka igbo mkpa, n'ihi na ihe ndị a nwere mkpa ha na-egbo, otu ọwa ozi, teepu, webụ peji na ndị ọzọ si nwee mkpa ha na-egbo ka igwe ntụ oyi, alịkịrịja, ụgbọ ala, ọgba tumtum dg. so nwee mkpa ha na-egbo. Etu a ka o si dịkwa na ngwa ọ bụla dị n'ụlọ akwụkwọ, ụlọ mmadụ, ụlọ ọrụ, ụlọ ụka, dg. ndị nwere mkpa ha na-egboro mmadụ. Nchọcha a dị mkpa iji chọpụta ụzọ asụsụ Igbo ga-esi nyere mbawanye sayensị na nka na ụzụ. Ọzọ bụ ime ka ndị mmadụ malite itinye aha Igbo nka na ụzụ n'ọrụ ọ kachasị ndị nwerela aha Igbo e jiri mara ha. Nchọcha a ga-emekwa ka ndị mmadụ ghọta ihe bụ nka na ụzụ na ọ bụchaghị ihe ahụ ufọdụ na-eche dị ka ihe ndị si naanị na be ndị ọcha kama ka ha mata na nka na ụzụ gbara anyị okirikiri ma bụrụkwa ihe onye ọ bụla maara ma were na eme otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ.

## Ntụlegharị Agụmagụ

### Asụsụ Igbo

Asụsụ bụ okwu nke nwere ọtụtụ nkọwa sitere n'aka ndị amụmamụ sayensị asụsụ na ndị abụghị. Asụsụ bụ ụzọ pụrụ iche mmadụ na ibe ya si ezikọrịta ozi. Ọ bụ onyinye pụrụ iche Chukwu okike nyere mmadụ. N'etiti ihe niile e kere eke, naanị mmadụ na-asụ asụsụ. Asụsụ bara nnukwu uru. Ọ bụ ya ka mmadụ ji ezipụta echiche na ebumnuche ya. E wezuga asụsụ, mmadụ na ibe ya agaghị enwe ike izikọrịta ozi. Ọ bụ ya ka e ji ezipụta nkwenye, njirimara, omenala na nsirihụ ụwa ndị. Agbụrụ ọ bụla asụsụ ya nwụrụ anwụ anwụọla n'ihi na ọ bụ asụsụ bụ ndụ mmadụ. Crystal (1971: 175) kọwara asụsụ dị ka olu mmadụ nke ahaziri ahazi n'ụdị ọdịmara, nke na-abụghị ebumpụta ụwa nke mmadụ mebere e ji akọwapụta echiche site n'okwu ọnụ ma ọ bụ ederede. Nkọwa a na-egosi ihe ole na ole banyere asụsụ. Nke mbụ bụ na asụsụ bụ ụda mmadụ na-eme nke nwere nghọta site na nkwekọrịta nke ọhanaeze nwe ya. Ọzọ bụ na mmadụ esighi n'afọ buru asụsụ pụta ụwa; kama ọ bụ ihe a na-amụnye mmadụ na ya. Ihe ọzọ nkọwa a gosiri bụ na e nwere ike izipụta asụsụ site n'okwu ọnụ ma ọ bụ site n'ederede.

Nwadike (2002) na-akọwa na asụsụ dịka igodo obi mmadụ. Ọ bụrụ na anyị atụfuo igodo ahụ, ihe ọ pụtara bụ na anyị atụfuola ndị nwe asụsụ ahụ. Ọ bụrụ na anyị echekwaba igodo ahụ, ọ ga-enye aka ịkpọpe ụzọ akụ nke na-enweghi ụzọ ọzọ a ga-esi kpọpe ya. Ọnwụka (2014) na-akwado Onuora (2009) na-ahụta asụsụ dị ka ụzọ ndị mmadụ si agwakọrịta onwe ha okwu. ya bụ na asụsụ bụ ụzọ ndị mmadụ si ekwukọrịta ihe ha ga-eme nakwa usoro ha ga-esi mee ya. Asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si emekọrịta. Ihe nke a gosiri bụ na ọ bụrụ na onye a na-agwa ihe aghọtaghị ihe a na-agwa ya, onye ahụ na-agwa ya ihe ahụ anaghị asụ asụsụ kama ọ na-eme mkpọtụ. Nkọwa ya yịtụkwara nke Crystal (1971) na nghọta.

Akịdị (2009) na-akọwa na ọ dị mkpa ka anyị mata na asụsụ Igbo dị ọkpụ. Mmadụ tufuo asụsụ ya, ọ tụfuola njirimara ya. Onye ahụ efuola. Njirimara mmadụ bụ asụsụ n'ihi na ọ bụ naanị mmadụ nwe asụsụ. Njirimara ka e ji amata ebe onye si, ihe ọ na-eme na ihe ọ pụrụ ime. O kwere ghọta na asụsụ na malitere mgbe mmadụ hụrụ onwe ya n'ụwa. Asụsụ ka ndị Igbo jiri bie ndụ ha. E nwebeghi onye nwere ike ịsị lee onye malitere ịsụ asụsụ n'ụwa. Ndị mmadụ a ma ama chọpụtara ọtụtụ ihe dị n'ụwa dị ka: baa route to India, ụgbọelu, intanet na ihe ndị ọzọ mana a maghị onye chọpụtara ma ọ bụ bidoro asụsụ.

### Nka na ụzụ

Skrbina (2015) na-akọwa na ọ bụ site n'ọrụ Socrates, ọka echiche si mba Grik ka a hụrụ ihe gbasara Logos nke gosipụtara ihe banyere okike pụtara ihe na 'Techne', ọ gara n'ihu kwuo na ọ bụ n'ọkara Senturi gara aga ka okwu a bụ nka na ụzụ malitere. Nke a mere ka e nwee ọtụtụ echiche banyere ihe okwu a nwere ike ịpụta. Ọ bụ site na nke a, ka e nwere ike iji sị lee ihe nka na ụzụ pụtara. Ya bụ na nchịkọta ihe dị na nka na ụzụ bụ na a ga-enwerịrị ihe a rụpụtara. 'Techne' dị ka okwu e ji emebe okwu na-arụgara nka na aka ọrụ aka. Ọ gara n'ihu kwuo na tupu e kwuo maka nka na ụzụ na a ga-enweriri ka

nka na aka ọrụ siri bata n'ihe a na-ekwu maka ya. E ji aka ọrụ emepụta ọtụtụ ihe, otu ahụ ka ọ dịkwa n'ebe nka dị. Ndị ome nka na-eji nka ha nwere wee rụpụta ihe ha chọrọ ịrụpụta. Ọ gara n'ihu kwuo na mmadụ kwesikwara ịghọta mpụtara nka na ọrụ nka iji mata mgbe a rụpụtara ihe ọhụụ ya bụ ihe sitere na nka na ụzụ. Nkọwa a gosipụtara na nka n'azụ pụtara ihe ọ bụla mmadụ rụpụtara site n'ekereuche ha, nke e ji nka na ọrụ nka were arụpụta.

Njọku (1986) na-akọwa na ọ bụ ụlọ ọrụ ndị na-arụpụta igwe nka na ụzụ hibere ntọala Igbo na akụ na ụba ya mana etu na oge o jiri malite bụ ihe a ga-eleba anya n'isi nke anọ.
Ofomata (2019) kwuru:

Ọnọdụ nzikọrịta ozi agbanwoola. Ọ bụghịzikwa otu ahụ ndị Igbo si ezikọrịta ozi mgbe ahụ ka e si ezikọrịta ya n'oge ugbu a. Nkwa adaghar̥iala, a tụghar̥iala ọkpa egwu, ụwa anyị nọ n'ime ya na-eto eto, ihe dịkwụazi n'ime ya na-eto eto. Ọ bụghị etu ụwa dị n'oge gboo ka ọ dị n'oge ugbu a, n'ihi na chi na-efo, ihe mgbanwe a na-adị, ihe ọ hụrụ a na-apụta. Ụdị nzikọrịta ozi a na-emezi ugbu a bụzi nke a maara dị ka nzikọrịtaozi keteknọlọji. Nzikọrịtaozi keteknọlọji bụ ụdịrị nzikọrịtaozi e ji ngwa ọgbaraọhụrụ dị iche iche were na-eme. Ọ bụkwa ndị ọcha wepụtara nzikọrịtaozi keteknọlọji a na-ekwu maka ya. ọ bụkwa site n'ikuku ka ozi niile ahụ si aga ma sirikwa na-ejekwuru onye e mebeere ya. Ụfọdụ ihe ndị ihe ndị ahụ a na-ekwu maka ha bụ leta, tiivi, redio, igweuche, oziikuku, letaikuku, nhụrịtaniikuku, kwupuniikuku, foonu (ma foonu ụdọ ma foonu mkpanaka), kwuokamnụ dgz.

Na nkọwa nke ya, a hụtara nka na ụzụ nke ọ kpọrọ teknọlọji dị ka ihe wetara mgbanwe n'ụwa ọ kachasị n'ebe o metụtara nzikọrịta ozi n'ihi na nka na ụzụ mere ka nzikọrịta ozi dị mfe site n'ikuku ma wezuga nhịahụ na igbu oge dịbụ na nzikọrịta ozi n'oge gboo, nke a gakwara n'ihu ikwado na nka na ụzụ bụ maka igbo mkpa.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ eji mee nchọcha a bụ atụtụ kenkwalite otu na omenala nke Vygotsky (1978). Atụtụ a na-ekwu na mmụta bụ usoro chọrọ enyemaka otu dị iche iche dị ka nne na nna, ndị nkụzi, otu ọgbọ, ọha na eze, omenala dg iji mee ka mmadụ nwee ezi mmụta ma too nke ọma ma n'ime mmụọ ma n'akụkụ niile. Ọ gara n'ihu ịkọwa na asụsụ bụ ntọala amụmamụ ọ bụla, n'asụsụ na-akwado ihe dị iche iche dị ka igụ na ide. Ichemi echiche ime, na ịtụgharị uche bụ site n'asụsụ ka e si eme ihe ndị a. Nkwalite asụsụ bụ isi sekpụ ntị atụtụ a, n'ihi na o na-ekwu na ewepụ asụsụ, agaghị enwe mmepe obodo nakwa ọdịmma omenala. Nke a gosiri na e wepu asụsụ nke asụsụ Igbo bụ otu n'ime ya, nka na ụzụ agaghị abawanye ma ọ bụ too etu kwesiri ekwesi.

**Ntụcha Nchọcha**

N'ebe a ka a ga-enye nkọwa na ntụcha ngwa nchọcha. Dị ka e merela ka a mata, ọ bụ atụtụ ke nkwalite otu na omenala nke Vygotsky (1978) ka a gbadoro ụkwụ wee mee nkọwasị a. Cheta na nka na ụzụ bụ ihe ọ bụla e ji egbo mkpa e ji nka na aka ọrụ wee mepụta dị ka oche, tebl, akwa dg. Nke a pụtara na ọ bụghị naanị ihe ndị dị ọhụụ n'ụwa taa ka nka na ụzụ na-arụgara aka, ihe ndị dịbụ ochie, dị ka ụgb ọala, ọgba tum tum, anyịnya igwe na ihe ndị ọzọ sokwa n'ihe a na-ekwu. N'ihi nke a, nchọcha a ga-agbado ụkwụ n'ihe Ofomata (2019) na Okonkwo (2016), nakwa ọtụtụ ode ndi ọzọ na-akọwa na nka na ụzụ bụ ịgbaso usoro dị iche iche; ma usoro sayensi na usoro ndị ọzọ a haziri ahazi maka igbo mkpa, n'ihi na ihe ndị a niile nwere mkpa ha na-egbo, ọwa ozi ịntanet, tepu vidio, webụ peji, igwe ntụoyi, alịkịrịja, ụgbọ ala, ọgba tumtum dg.

**Mmalite Nkanụzụ**

N'agbata Centuri iri na isii ka igwe nka na ụzụ ndị Igbo na nke ndị Iropu bịakọrịtara. Ndị Iropu bubatara ọtụtụ ihe dị ka igwe, kọpa, manila, igwe njide ụzọ, mkpọchị ụzọ, egbe dg. Ndị ọkpụ ụzụ were ihe ndị a tinye na ngwa ọrụ ndị ha ji arụ ọrụ.

Ọ bụ na Nsụka (Udi) ka a hụtara ihe banyere Igwe nka na ụzụ mbụ n'ala Igbo, o wee si ebe ahụ gbasaa gaa ọwụwa ayanwụ Naịjirịa. Udi bụ ebe ntọala nka na ụzụ ndị Awka si malite. Ndị ọkammụta Akịọlọji chọpụtara ebe ndị a dị ka ebe a hụrụ igwe; Abakaliki, Abịrịba, Awgụ, Nsuka, Okigwe, Udi na Uturu. Ọ

bụ Igala meghere ụzọ mbata azụmahịa na nka na ụzụ n'ala Igbo, Nsụka bụkwa obodo kara didebe ya nso nke mere ka ọ bụrụ ebe e siri wee bubata nka na ụzụ, omenala na ihe ndị ọzọ.

Igboukwu abụghị ebe igwe nka na ụzụ malitere n'ala Igbo dị ka nchọpụta Shaw (1967) siri dị. A matara Igboukwu mgbe e nwerela igwe nka na ụzụ nakwa mgbe e ji kọpa eme ihe dị iche iche dị ka ihe e ji echi echichi na emume dị iche iche nakwa ịchọ mma. Na nkọwa Shaw, ụdịrị nka na ụzụ egwuputara n'Igbo ukwu gosiri na ndị Igbo dịbụ mbụ mara maka igwe nka na ụzụ na Senturi ndị gara aga. Dennis Williams onye nchọcha akụkọala chọpụtara na ihe ndị ahụ e gwuputara mara mma nke ukwuu nke na ọ tụnyere ya nka na ụzụ ndị Rom e si Robetean wee tụlata nke ọ kọwara dị ka ezi ngosi nke ọmarịcha nka na ụzụ. Na nchịkọta Igbo ukwu bụ obodo ji igwe arụpụta ihe ọ bụghị obodo na-emepụta igwe n'ihi na o nweghi ngwa e ji emepụta igwe nke mere na e nweghi ụlọ ọrụ na-arụpụta igwe na ya. Ọ bụ na Nsụka ka nka na ụzụ si gbasaa gaa n'obodo ndị ozo n'ala Igbo.

**Mkpụrụokwu maka ụfọdụ nkanụzụ n'asụsụ Igbo**

N'ebe a ka a ga-ezipụta ụfọdụ mkpụrụokwu metụtara nkanụzụ di ka o si metụta Akpụmakpụ, ezi na ụlọ, ọrụ ugbo, ụlọ akwụkwọ na agụmakwụkwọ, ụlọ na ịrụ ụlọ, njem, mgbasa ozi na ekike. A ga-eme nke a site n'isi okwu nta dị iche iche.

**Nkenke nkọwa banyere ụfọdụ ihe akpụmakpụ**

Akpụmakpụ metụtakarịrị ihe ndị e jiri aja, aja ụpa, nzu, ụrọ dg wee mepụta. Ite, iko, efere dg so na ihe a na-enweta n'akpụmakpụ.

| English | Igbo |
|---|---|
| Pottery | Akpụmakpụ dị iche iche |
| Clay | Aja ụpa |
| Biscuit | Akpụmakpụ e siri n'ọkụ eterụghị eterụ |
| China clay | Nzu /nzu chaịna |
| Ceramic | Ita nsinajọpa |
| Crock | Efere na Ite nsinajaọpa |
| Crockery | Akpụmakpụ ga |
| Coiling | Ikpunye okokoro |
| Plank | Osisi njiewube |
| Firing | achamọkụ |
| Potters Gauge | Igwe njiachọpụta |

**Nkenke Nkọwa banyere Nkanụzụ metụtara Ezi na Ụlọ.**

Nkanụzụ metụtara ezi na ụlọ gụnyere nkanụzụ ndị dịka oche, efere, ncha, ite dg. Ọmụmatụ etu e si emepụta ụfọdụ n'ime ha dị na

| **Nkanụzụ** | **Aha Igbo ya** |
|---|---|
| Gallon/containers | Arịa |
| Matches | Mkpa ọkụ |
| Gas stove | Igwe nsinri ke-gas |
| Electric stove | Igwe nsinri ke-stoov |
| Fridge | Igwe njụoyi |
| Wardrope | Ebendebeakwa |
| Ceramic plate | Efere nkụwa |
| Handfan | Akụfe |
| Fan | Igwe nku oyi |
| Basement | Ọnụ ụlọ ndiokpuru |
| Bathroom | Ọnụ ụlọ asamahụ |
| Broom | Azịza |
| Cupboard | Igbenkwasa / uko |
| Curtain | Akwa mgbochi |
| Dining | Ọkwasa erimnri |
| Door bell | Mgbirịmgbaọnụụzọ/atānụ ụzọ |
| Front door | Ụzọ ke-ihu |
| Garbage can | Nkata ahịhịa |
| Key | Ọtụgwọ/ Igodo |

| | |
|---|---|
| Kitchen | Usekwu |
| Laundary room | Ọnụ ụlọ asụmakwa |
| Light | Ọkụ |
| Mirror | Enyo |
| Picture | Eserese |
| Rug | Ute ọmuulo |
| Shelves | Ebe nkwasa |
| Sink | Ńji asa |
| Staircase | Ókpòrò mgbago/ Mbube ụlọ elu |
| Steps | Usoro njieme |
| Swimmimg pool | Ebe egwummiri |
| Toilet | Ụlọ mkposhi |
| Upstairs | Ụlọ elu |
| Flower vase | Ịte okoko |
| Stove | Ǹsí nri |

**Nkenke nkọwa banyere nkanụzụ metụtara ọrụ ugbo**

Nkanụzụ metụtara ọrụ ugbo bụ nkanụzụ ndị ahụ na-enye aka n'ihe gbasatara ịrụ ọrụ ugbo. Ha gụnyere ọgụ, mma, ngwu ala, ngacha, oke mma dg.

| Nkanụzụ | Aha Igbo ya |
|---|---|
| Hoe | Ọgụ |
| Rake | Ngacha |
| Spear | Ube |
| Wheel barrow | Ọkpọre mbu ibu |
| Small hoe | Nkụkọ |
| Spade | Ngwu aja |
| Net | Nza |
| Fish trap | Nko/ ọnya azụ |
| Spare | Ube |
| Mat | Ute |
| Gun | Egbe |
| Animal trap | Ọnya |
| Aụe | Anyịke |
| Basket | Nkata |
| Sieve | Myọ |
| Hand hoe | Uwele |
| Sickle | Ike agwu |
| Saw | Nkwọcha |
| Hammer | Nkụ ntụ |

**Nkenke nkọwa banyere nkanụzụ metụtara ụlọ akwụkwọ na agụmakwụkwọ**

Nkanụzụ ndị metụtara agụmakwụkwọ gụnyere nkanụzụ ndị a na-ahụ okirikiri ụlọ akwụkwọ nakwa ndị na-enye aka na nkụzi na ọmụmụ, dika ugbo ojii, oche, ọba akwụkwọ, ekwenti, kọmputa, ọkwakpu dg.

| Nkanụzụ | Aha Igbo ya |
|---|---|
| Lab | Ọba nnyocha |
| Camera | Igwe nsere |
| Television | Igwe onyoonyoo |
| Phones, tablets etc | Ekwentị |
| Cables | Eriri ọwa ọkụ |
| CCTV | Igwenserenzuzo |
| Desk | Oche ogologo |
| Bookshelf | Ọba nkwasa akwụkwọ |
| Keyboard | Ọyọkọmpiaka/igodo mpịaka |
| Library | Ọba akwụkwọ |
| Atlas | Ǹséñdū |
| Calculator | Mpịmgbakọ |
| Dictionary | Nkọwa okwu |
| Eụperiment | Nsere |
| File holder | Akpanchekwaozi/ nji akpa ozi |
| Ink | Uri edide |

| | |
|---|---|
| Map | Eserese nduzi |
| Pencil | Mkpịsị edide nhicha |
| Paper | Ibe akwụkwọ |
| Ruler | Osisiọtụtụ/ ǹká ọ̀gbàrà |
| Scissors | Mkpa |

**Nkenke nkọwa banyere nkanụzụ metụtara ụlọ na ịrụ ụlọ**

Nkanụzụ metụtara ụlọ na ịrụ ụlọ bụ nkanụzụ ndị ahụ pụtara ihe n'ụlọ mmadụ bi nakwa n'arụm ụlọ.

| BEKEE | IGBO |
|---|---|
| Bungalow | Ụlọ ala |
| House | Ụlọ |
| Storey building | Ụlọ elu |
| Zinc | Gbamgbam |
| Block | Mwugo |
| Cement | Ajantedo |
| Rod | Igwe |
| Plot | Nkebi ala |
| Surveyor | Onyocha ala |
| Architectural drawing | Eserese ụlọ |
| Architecture | Esemụlọ |
| Building | Ụlọ |
| Builder | Ọrụ ụlọ |
| Foundation | Ntọala |
| Concrete | Kọnkịrị |
| Lintel level | Ogogomwuchi |
| Ceiling | Ngechi |
| Roofing | Ikuchi elu ulo |
| Tile | Ala eterete |
| Electrician | Onye ọrụ eletrik |
| Marble | Ntemịrịmịrị |
| Conduit wiring | Ọwa eletrik ụlọ |
| Plumber | Onye ọrụ roba |
| Overhead tank | Ntimmirielu |
| Building material | Akụrụngwa arụmụlọ |
| Painter | Ote ụlọ |
| Wiring | Nkesa ọwa ọkụ |
| Welder | Ọgba ọkụ |

**Nkenke nkọwa banyere nkanụzụ metụtara njem**

Nkanụzụ njem gụnyere nkanụzụ ndị ahụ na-apụta ihe n'ihe banyere njem ma okoroụzọ, mmiri na elu. Ha gụnyere ụgbọala, ọgbatumtum, ụgbọ ala dg.

| | |
|---|---|
| Bus | Ụgbọ ala mbundinjem |
| Boat | Ụgbọ mmiri |
| Aeroplane | Ụgbọ elu |
| Engine | Isi anyịnya |
| Bicycle | Inyịnya igwe |
| Motocycle | Ọgba tumtum |
| Bike | Oke igwe ọgbatumtum |
| Driver | Ọkwọ ụgbọala |
| Delivery truck | Ụgbọ ibu |
| Lorry | Ụgbọ ibu ukwu |
| Trailer | Ụgbọ ibu ogologo |
| Tricycle | Keke/Ụgbọ ụkwụ atọ |
| Bonnet | Igbe ụgbọ |
| Engine oil | Mmanụ isi anyịnya |
| Radiator | Njụnata |
| Carburetor | Ọwa ọzịza |
| Fan belt | Eriri nkucha |
| Foot brake | Nkwụsị ke-ụkwụ |
| Headlamp | Ọkụ ndu |
| Rear lights | Ọkụ azụ |

**Ufodu nkanụzụ ndị nwerela aha igbo a maara nke ọma**

| Bekee | Igbo | Usoro Nnweta |
|---|---|---|
| Chair | Oche | Ọdịnala |
| Cup | Iko | Ọdịnala |
| Plate | Efere | Ọdịnala |
| Bed | Akwa | Ọdịnala |
| Mat | Ute | Ọdịnala |
| Pot | Ite | Ọdịnala |
| Knife | Mma | Ọdịnala |
| Pen knife | Mma mkpisị odee | Ọdịnala |
| Handfan | Akụfe | Ọdịnala |
| Broom | Azịza | Ọdịnala |
| Light | Ọkụ | Ọdịnala |
| Mirror | Enyo | Ọdịnala |
| Toilet | Ụlọ mkposi | Ọdịnala |
| Hoe | Ọgụ | Ọdịnala |
| Rake | Ngacha | Ọdịnala |
| Gun | Egbe | Ọdịnala |
| Mat | Ute | Ọdịnala |
| Animal trap | Ọnya | Ọdịnala |
| Chalk | Nzu edide | Ọdịnala |
| Rod | Igwe | Ọdịnala |
| Building/house | Ụlọ | Ọdịnala |
| Car | Ụgbọ ala | Ọdịnala |

**4.4 Nkanụzụ ndị enweghi aha Igbo a marala nke ọma na usoro mmebe aha a ga-akpọnwu ha.**

| Bekee | Igbo | Usoro nnweta |
|---|---|---|
| Stove | Nsi nri stoovu | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Matches | Mkpa ọkụ | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Fridge | Igwe njụ oyi | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Wardrope | Ebendebeakwa | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Cupboard | Uko nri | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Curtain | Akwa mgbochi | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Dining | Ebe erimnri | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Garbage can | Oba ahịhịa | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Laundary room | Mkpuru asụmakwa | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Rug | Ute ọma ụlọ | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Marble | Ụtemịrịmịrị | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Flower vase | Mbuokoko | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Spade/shovel | Mkpoaja | Mmepụta mkpụrụokwu |
| CCTV | Igwenserenzuzo | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Block | Aja mwugo | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Folder | Akpanchekwa | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Ink | Uri edide | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Map | Nsenduzi | Mmepụta mkpụrụokwu |
| World map | Nsenduziụwa | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Atlas | Nsendu | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Soundspeaker | Igwe nkwupụta | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Laptop | Kọmpụta mbunaka | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Painter | Ote ụlọ | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Stepler | Mgbado ntụtụ | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Architecture | esemụlọ | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Boutiọue | Ụlọ eremekike | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Brooch | Njiachọmma ntunye | Mmepụta mkpụrụokwu |
| Hanger | Nkodouwe | Mmepụta mkpụrụokwu |

**Nchịkọta Nchịkọta**

A chọpụtara site na nchọcha a na nka na ụzụ abụghị ihe ọhụụ n’ebe ndị Igbo nọ n’ihi na e nwere nka na ụzụ ọdịnala tupu ndị ọcha e buru nke ha bata.

Ọzọ bụ asụsụ Igbo ga-enye aka ịgbasa nka na ụzụ ọ kachasị nka na ụzụọgbaraọhụụ ka a mara maka ha. Ọbụ site n'asụsụ ka e si amata nka na ụzụ dị iche iche na-apụta ọhụụ

Ọzọ bụ na nka na ụzụ agaghị arụnwu ọrụ dịka mgbasa ozi n'ala Igbo ma e wepu asụsụ Igbo. Iji maa atụ Ị gaghị agbasanwu ozi metụtara nka na ụzụ dị iche iche n'ala Igbo nke ọma na-ejighi asụsụ Igbo wee zie ozi ahụ.

Ọzọ bụ na nwa nchọcha chọpụtara na mgbe ọ bụla akpọrọ aha nka na ụzụ n'asụsụ Igbo a na-aka enwe nghọta n'ebe ndị okenye nọ karịa mgbe a kpọrọ aha Bekee ya, ọ bụghị mmadụ niile na-aghọta nke a. ịma atụ: igwe njụoyi (refrigerator) ya bụ igwe na-ajụ ihe oyi, igwe nku oyi (fan) –igwe na-ekute oyi, igwe ntụoyi (air conditioner) – igwe na-atụ oyi dg.

Ọtụtụ amaghịkwa akpọpụta aha Bekee ya nke ga-etinye onye a kpọọrọ ya na mgbagwoju anya, ọ bụ ihe ndị a ka iji asụsụ Igbo kwalite nka na ụzụ ji dị ezigbo mkpa.

A chọpụtakwara na nkọwa nka na ụzụ abụchaghị ihe ndị mmadụ na-eche na ọ bụ, n'ihi na ọtụtụ chere na nka na ụzụ bụ naanị nnukwu igwe dị iche iche ndị ọcha rụpụtara dị ka, kọmpụta, igwe ntụoyi, igwe njụoyi, ụgbọ ala, igwe onyoonyoo na ihe ndị ọzọ dị ka ọwa ozi ịntanet, vidio tepu, webụ peji, dg. kama nka na ụzụ bụ ihe ọ bụla e ji egbo mkpa. Ya bụ na ma ọkwasa, ite, oche, iko, ịnyịnya igwedg bụcha nka na ụzụ.

Ọzọ bụ na achọpụtara na ọtụtụ n'ime nka na ụzụ ndị a e nweela aha Igbo e jiri mara ha, ma chọpụtakwa na ndị nwere aha Igbo e jiri mara ha dị ka a ga-asị na aha Igbo ha na-anwụ anwụ, n'ihi na ndị mmadụ na-ahọrọ ịkpọ aha ha n'oyibo karịa n'Igbo.

Nwa nchọcha chọpụtara na e nwere ọtụtụ ọrụ a ga-arụ n'iji asụsụ Igbo kwalite nka na ụzụ n'ihi na nka na ụzụ e nwere n'oge a juru eju bara abara.

**Okwu Mmechi**

Ebumnobi nchọcha a bụ ịmata etu asụsụ Igbo ga-esi nyere okwu nka na ụzụ aka. N'ezie e nwere nka na ụzụ ndị nwerela aha Igbo mana imirikiti aka enweghi. A chọpụtara na nka na ụzụ ndị nwere aha Igbo na-aka enye nghọta doro anya mgbe a kpọrọ ya karịa ndị enweghi aha Igbo. Ọtụtụ ndị nwere aha Igbo dị ka a ga-asị na a tụfuru ha atụfu. Nke a mere na mgbe a kpọrọ ụfọdụ nka na ụzụ, ọ naghị enwe nghọta sere elu ná-ábịá n'uche onye a kpọọrọ ya, mana mgbe a kpọrọ aha ya n'asụsụ Igbo, ọ ga-eme ka onye a kpọọrọ ya nwee nghọta banyere ihe a na-ekwu maka ya, ọzọ bụ na iji asụsụ Igbo kwalite nka na ụzụ ga-eme ka asụsụ Igbo bawanyekwuo ma chakee dị ka ogbo ya ndị ọzọ dị ka Yoruba na Hausa.

**Edensibịa**


Akidi, F.C. (2008). 'Language without Words' in Journal of Language, Art and Cultural Studies. Vol. 1. Owerri: A.I.F.C.E.

Akidi, F.C. (2011). Standard Igbo and Osina dialect: Similarities and differences A Journal of Igbo Arts and Culture. Owerri: Imo State Council for Arts and Culture.

Akidi, F.C. (2012). 'Igbo Language and its Characteristics' in Ọja International Journal of Igbo, African and Asian Studies. Awka: Unizik

Bleed, P. (2008). Content as Variability, Result as Selection: Toward a Behavioral Definition of Technology. Archeological papers of the American Anthropological Association 7: 95-104.

Crystal, C.C. (1971). *Linguistics*. London: Hazel Watson and Viney Ltd.

Galbraith, J.K. (1972). *The New Industrial State*. London. UK: Andre Deutsch.

Hawkins, R. na Gladwin, T. (1981). *Conflicts in the International Transfer of Energy:* A US Home Country View. In Sagafi-Nejad Et Al

Hawthorne. E.P. (1971). *The Transfer of Technology*: Paris: OEDC

Herskovits. M. J. (1948). *Man and His works. The Science of Cultural Anthropology.* New York Knopf.

Merill, R. (1968). *The Role of Technology in Cultural Evolution in Social Biology*, 19 (3) 246- 256

Jones, R. (1970). *The Technological Factors in International Trade*. New York: Universities

Bureau of Economic Research.

Masckus, K.E. (2003). *Encouraging international technology transfer.* Cambridge: Heffer and Sons

Ngoesi, M.C. (2002). *Nchikọta Ihe Ọmụmụ Nke Asụsụ Igbo,* Nkpor: Optimal Press.

Njoku, O. N. (1986). *A History of Iron Technology in Igbo Land* c. 1542-1900, PhD Thesis Dalhousie university Halifaụ, Nova Scotia, June 1986

Nwadike, I.U. (2002). *Igbo Language Education; Historical Study,* Obosi: Pacific.

Okonkwo, B.A. (2016). The Importance of Local Language to the Development of Technology In Z. Babaci-Wilhite (Ed.): *Human Rights in Language and STEM Education, 169-177* © Sense Publishers.

Onuora, J.C. (2009). *Usoro Omumu Igbo,* Awka: Patmonic.

Skrbina, D (2015). *The Metaphysics of Technology*. New York: Routledge.

Vygotsky, L.S. (1978). *Mind in the Society: The Development of higher Psychological Process*. London: Harvard University Press.

Zhao, Y. (2008). *Recent Development in Technology and Language Learning. A Literature Review and Meta-Analysis*. CALICO Journal, 21(1), 7-27. Retrieved From Https://Calico.Org/Html/Article_279.Pdf.